# NTỤLEKỌRỊTA ABỤ EGWU IMỌKA NA NDỤ NDỊ ỌKA N'OGE GBOO NA N'OGE UGBU A

**Precious Ujunwa Ekwenugo**
**Dept. Igbo, African & Communication Studies**
**Nnamdi Azikiwe University, Awka**
**e-mail: ekwenugoprecious84@gmail.com**
**08064832311**

**Na**
**Okm. A. Ikechukwu Okodo**
**e-mail: ai.okodo@unizik.edu.ng**
**08037376270**

**Ụmị Edemede**
*Isiokwu ederede nchọcha a, gbadoro ụkwụ na Ntụlekọrịta Abụ Egwu Imọka na Ndụ ndị Ọka N'oge gboo na N'oge Ugbu a. Abụ ọdịnala nke Egwu Imọka bụ otu n'ime ya, bụ nke dịbara kemgbe gboo sitere n'aka nna nna anyị ha ruo anyị aka, ma bụrụ n'ọnụ ka a na-agụ ya. Abụ Egwu Imọka bara uru na ndụ ndị Ọka n'ihi na ha na-esite na ya akụziri ụmụ ha eziakparamagwa nkwenye ha, ụdị ndụ ha na ka ha si ahụ ihe. Ma taa ndị Ọka legharịrị ọrụ niile ndị a abụ Egwu Imọka na-arụ anya, ha anaghịzị enwe mmasị na ya. Ndị ọgbaraọhụrụ na-agbaso usoro ndị ọcha nke adịghị egosipụta nkuzi, eziakparamagwa na mmetụtaobi e bu n'uche. Ọ bụ ya kpatara ọrụ nchọcha a, iji chetara ndị Ọka ezi nkuzi dị n'Abụ Egwu Imọka ha. Usoro a gbasoro mee nchọcha a bụ nke a kpọrọ sọvee rịsaachị. Nke a pụtara ịga n'obodo ebe e ji mee nchọcha a gbaa ndị mmadụ ajụjụ ọnụ ma chọpụta kwa ihe ndị dị mkpa na nchọcha a. Ọ bụkwa atụtụ ọkpụ ka a gbasoro mee nchọcha a. A chọpụtara na Abụ egwu Imọka n'oge gboo na-akuzi eziakparamagwa, obibi ndụ ọma ma na-ezipụta ihe dị iche iche e ji mara ndị Ọka. Ebe Abụ egwu Imọka nke oge ugbu a bụ naanị ajọ omume dị iche iche ka ha na-akuziri ndị ọgbaraọhụrụ bụ nke na-akpata ndụ ha na-ebi ka a ga-asị na isi akpakọchara ha ọnụ. A tụrụ anya na nchọcha a ga-aba nnukwu uru maka na ọ ga-enye aka ichetakwara ndị Ọka maka ezi nkuzi dị n'Abụ Egwu Imọka ha na ọrụ abụ ndị a na-arụ dị ka enyo nsirihụndụ ha na ịgbai ndụ ndị ọgbaraọhụụ. Ọ ga-abụ ebe mgbakwasị ụkwụ nye ndị nchọcha gbasara isiokwu a. Ọrụ nchọcha a na-atụnye aro ka ndị Ọka niile ihe gbasara Abụ ọdịnala na-amasị gbakọọ aka ọnụ na-ịkwalite na-iwulite ọnọdụ Abụ Egwu Imọka ha dị ka ọ dị n'oge gboo maka ezi nkuzi dị na ya ma nyekwa aka ime ka nke ndị ọgbara ọhụrụ a so akpata ka a ga-asị na isi akpọkọchara ha ọnụ nkeọma nyụọ ka ọkụ.*

**Ọkpụrụkpụokwu:** Abụ ọnụ, Egwu Imọka, Agụmagụ, Ndị Ọka

## Okwu Mmalite

N'ala Igbo e nwere ọtụtụ abụ ọdịnala dị iche iche e ji mara ndị Igbo nke ha si na ya egosipụta oge ha nọ n'obi aṅụrị, obi iwe, obi arịrị wdg. N'otu aka ahụ obodo ọbụla nwere abụ e ji mara ha. Ọ bụ n'ime abụ ọdịnala ndị a ka ha na-ezipụta nkwenye dị iche iche ha site n'agụmagụ ha, bụ nke ha na-egosipụta usoro obibindụ ha nakwa ka ha siri hụta ụwa ha nọ n'ime ya. Ndị Ọka na-egosipụta ụdị agụmagụ n'ọnọdụdị iche iche ha na-anọ na ndụ ha. Agụmagụ ọdịnala bụ nke si n'aka fere aka ruo anyị aka. Agụmagụ bụ ihe mmadụ sitere na ichemi echiche chepụta ma jiri asụsụ nka depụta maọbụ kwupụta ya n'ụdị akụkọ, egwuregwu maọbụ abụ, iji zipụta ihe dị iche iche gbasara ndụ n'ụwa anyị nọ n'ime ya. Ihe nke a pụtara bụ na ọ ga-enwerịrị onye chepụtara agụmagụ, detuo maọbụ gụpụta ya ka ndị ọzọ gụọ maọbụ nụrụ.

Nzịkọrịta ozi nkekeknọlọjị bụ nke so Bekee bịa, gụnyere ekwentị, video, tiivii, kọmputa, i-mel wdg. Ihe ndị a bụ ihe ndị mere ka agụmagụ Igbo nke gụnyere nke ndị Ọka bụrụzịa ihe kpụrụ afọ n'ala ma ruo taa.

## Ntụleghari Agụmagụ

Onye nchọcha ga-enyocha edemede dị iche iche ndị odee na ndị ọkammụta derela gbasara isiokwu nchọcha a. Nke a bụ ka a mata ebe ọrụ ha si yite maọbụ dị iche n'edeerede ha, ma mata ma o nwere

mperi dị n’ọrụ ha nke a ga-eji ọrụ nchọcha a mechie. Ntụleghar̄ị agụmagụ a bụ ihe e kere ụzọ atọ. Ha gụnyere ntụle nkọwa, ntụle atụtụ na edemede nchọpụtaga

**Ntụle Nkọwa**

E nwere okwu dị gasị mkpa na nchọcha a kwesịrị ka a kọwa ha nke ọma iji mee ka nchọcha a doo anya ma kwe nghọta. Okwu ndị ahụ bị ndị a: Abụ, Egwu Iọka na Ndị Ọka.

E nwere abụ dị iche iche n’ala Igbo ha ji efe chi ha ofufe, etimmanwụ, emume ọhanaeze na ejije. Abụ bụ otu n’ime agụmagụ ọnụ ndị Igbo nwere n’ihi na a malitere ịgụpụta abụ n’ọnụ tupu e dewe ya n’akwụkwọ. Nwadike (1992:32) kwuru sị “site na mgbe gboo ndị Igbo nwere abụ dị iche iche ha ji ebi ndụ ha n’ọnọdụ ọbụla, ndị Igbo nwere abụ ha ji eme nke ha na-eme”. Nke a pụtara na abụ ndị Igbo malitere mgbe ndị Igbo malitere, ọ bụ abụ ka ndị Igbo ji enyere onwe ha aka site na iwulite mmụọ ndị mmadụ na ihe ha na-eme.

Egwu Imọka bụ mmemme ndị Ọka na-eme ha ji aja onwe ha ike n’ihi mmeri chi ha nyere ha n’ọgwụ n’oge gboo ha ji merie ndị ilo ha. Oge ndị na-achụpụ mmadụ n’obodo ma bichie na-emekpa ndị Ọka ahụ, ha tụkọtara aro ọnụ ma chọpụta ihe ha ga-emeiji merie ndị ilo ha. Nke a mere ka ha jee obodo a na-akpọ Akpotọ na mpaghara Ịgala ma gota ọgwụ nke aha ya bụ Imọka. Ọgwụ a na echiche nke ha nyeere ha aka imeri ndị ilo ha. Ọ bụ ya kpatara ndị Ọka ji wepụta mmemme a bụ Egwu Imọka iji jaa onwe ha ike ma tokwazia ya bụ arụsị aha ya bụ Imọka maka mmeri o nyere ha.

Ndị Ọka bụ otu n’ime agbụrụ dị n’ala Igbo. Ọka bụ isi ọchịchị obodo Anambara steeti. Ọ bụ asụsụ Igbo ka Ọka na-asụ. Ọ bụ ogbe iri atọ na atọ mebere Ọka. Ọka bụ otu n’ime obodo ndị nwekarịchara igwe mmadụ na mpaghara ọwụwaanyanwụ. E nwere obodo ndị gbara Ọka gburugburu. Obodo ndị ahụ gụnyere: Amaọbịa, Nibo, Nise, Ọkpụnọ, Isiagụ, Amansii wdg.

Ọka bụ obodo bara ụba na mmadụ. Ọtụtụ mmadụ bi n’Ọka; ụfọdụ bụ ndị nweala ebe ụfọdụ bụ ndị ọbịa. Akaọrụ e ji mara ndị Ọka bụ ịkpụ ụzụ. Ọka na-akpụ egbe, mma, ọgụ, ite, iko na ihe ndị ọzọ dị iche iche. Ọka bụ obodo e ji ikwu eziokwu mara kpatara na a na-asị na okwu Ọka bụ ụbọchị izizi (mbụ). Ọka bụkwa ndị na-apụta ije ọnụ ha. Dị ka ndị Igbo bụ ndị a mara na-agba mbọ, Ọka na-agba mbọ nke ukwu nke mere na onye Ọka anaghị anọ agbanye aka na agba ka agụụ gbuo ya na ezinaụlọ ya.

**Ntụleghar̄ị Atụtụ Edemede**

E nwegasịrị atụtụ dị iche iche e ji atụcha edemede nchọcha, ma atụtụ a ga-agbaso mee nchọcha a bụ atụtụ ọkpụ. Uzochukwu (1999:48) kọwara na ihe eji akpọ nke a usoro ọkpụ bụ na ọ bụ usoro gbarala afọ tọọ nwa, ya bụ e kwuo maka ya, anya agaa anyị n'usoro a n'ihi na ọ bụ usoro e jirila nyochaa agụmagụ bido n'oge ochie ruo taa. Ọ kọwakwara na usoro ọkpụ a na-adị na ngalaba abụọ; ha bụ nnyocha gbadoro ụkwụ n'agụmagụ na n'akọ na ndụ na nnyocha gbadoro ụkwụ n'ezí agwa na n'ịtụle ihe omimi gbasara ndụ.

Dobie (2012:62-63) sịrị na atụtụ a bụ nke na-elebakarị anya n’ihe gbasara isiokwu, nhụrụuche nakwa mgbama ọkpụ bụ ndị pụtakarịchara ihe ugboro ugboro n’agụmagụ. Ọ kọwara na ndị nnyocha atụtụ a na-enwekarị mmasị gbasara akụkọ ala, akụkọ Dike, na akụkọ ndụ dị iche iche.

Gurem (1992:6) n’echiche nke ya, o kwuru na onye nnyocha atụtụ ana-enwekarị mmasị n’ebe akụkọ ala, akụkọ okike na akụkọ ndụ dị iche iche dị.

Atụtụ a bụ usoro ọkpụ bara nnukwu uru dị iche iche n' inyocha agụmagụ. Ọ bụ usoro a ka onye nchọcha ga-agbaso mee nchọcha ya n’abụ ndị a họọrọ. Usoro a na-elebakwasị anya na ọdịnaya, mmetụtaobi na echiche nke abụ. Ebe ọdịdị ya na-elekwasị anya na ndoko na asụsụ abụ

Ọtụtụ ndị ọkammụta e deela ọtụtụ edemede dị iche iche gbasara isiokwu nchọcha a. Nke a bụ ka amata ebe ọrụ ha si yite maọbụ dị iche n’ederede a, ma mata ma o nwere mperi dị n’ọrụ ha nke a ga-eji ọrụ nchọcha a mechie. Abụ ọdịnala bụ nke dị ọkpụ sitere n’aka nna nna anyị ha ruo anyị aka. Site n’otu

ọgbọ gaa n’ọgbọ ọzọ, site n’aka nne na nna gaa n’aka ụmụaka ha. Ọ bụ nke dịbara kemgbe gboo. Ọtụtụ ihe mgbanwe na-adị n’ime ya site n’otu obodo ruo obodo ọzọ.

Uzochukwu (1992:2) kwuru na “abụ ọbụla, ga-enwerịrị ndinaya na ọdịdị ya. Ọ kọwara ndịnaya dị ka mmetụtaobi na echiche dị n’abụ, ebe ọdịdị abụ gụnyere ndoko, ndanusoro, na asụsụ” . Echiche pụtara ihe mmụta a ga-esi n’abụ ahụ nweta. Ebe mmetụtaobi bụ etu ihe mmụta ahụ siri metụ anyị na mmụọ. Ndoko bụ ka e si ewepụta ndịiche na mbem, uri na agụgụ. Ngụgọ nke a na-anọ ọgbata okwu na egwu mana ọ na-abụkarị okwu karịa egwu. Ọ naghị enwe okwukwe. Mbem bụ abụ mmadụ ji akọwa ka ime mmụọ ya dị, ihe na-ese elu n’abụ bụ etu ime mmụọ mmadụ dị. Ime mmụọ mmadụ na-enwe ọnọdụ ọ na-anọ, e nwere ụdị abụ abụọ. Ọnọdụ a nwere ike ịbụ nke aṅụrị maọbụ nke mwute.

Taylor (1981:40) kwuru na “abụ bụ amamihe nke mmadụ nwere ike ịhụ ma ghọta ihe merela maka ya; ma were asụsụ nka zipụta ya nke ọma. Nkọwa ya na-ekwu otu ihe gbasara abụ, na ọ bụ echiche nke otu onye chepụtara nakwa amamihe mmadụ nwere ịhụ ma mata ihe merela, ọ ma maka ya. Ebe a echiche na amamihe bụ otu ihe.

Mpekere edemede nke a zipụtara na ahịrị abụ na-egosi ụfọdụ echiche dị omimi na mmetụta ahụ dị egwu. A na-edepụta ya n’okwu apịrị apị. Ọ dị omimi maka ọ na-achọ ikwu ọtụtụ ihe n’ime ahịrị abụ ole na ole; bụrụ nke na-eji okwu nka na atụmatụokwu ezipụta echiche.

Nkọwa a na-ekwu na abụ bụ nke na-anabata mmetụta ahụ dị egwu, okwu apịrị apị na echiche miri emi. Abụ na-anabata okwu nka. Okwu nka ebe a pụtara, ilu, akpalaokwu, mmemmadụ wdg. Okwu nka na-enye aka ka odee maọbụ ọkpọ abụ dee maọbụ kwụọ ọtụtụ ihe n’obere mkpụrụokwu, ahịrị okwu ma bụrụkwa nke na-eme ka uche ọgụụ dị nkọ mgbe ọ na-agụ abụ.

Nwankwo (1994:20) sịrị na “Abụ bụ nkọwapụta ihe onye bu n’uche n’ụdị abụ otito maọbụ arịrị. Nke a pụtara na a na-eji abụ ezipụta etu ime obi mmadụ dị mgbe ọ nọ n’ọnọdụ aṅụrị maọbụ mwute. Dị kaabụ Nnamdi Olebara dị n’Akpa Uche bụ ‘Akwa Arịrị:

Ugonna (1980 :20) mere ka a mara na "abụ bụ okwu dị n'ahiriokwu, n'ahiriabụ maọbụ n'ọgbara n'ọgbara...". Abụ bụ nke na-anabata ndanusoro mgbe ụfọdụ, ka abụ ahụ tọọ ụtọ na nti ma a na-agụ ya. "Ọ dị nnọọ ka m bụrụ Nnụnụ" nke Ogụejiofor dere dị *Akpa Uche* nwere ndanusoro.
Abụ bụ nke na-ekwu maka otu ihe n'otu oge. Nke a pụtara na abụ na-ekwụ maka otu isiokwụ n'otu oge.

Ọtụtụ ndị ọkammụta agụmagụ dị iche iche emeela ọtụtụ nchọcha ma depụtakwa ọtụtụ ederede na ngalaba abụ ọdịnala dị iche iche. N’ebe a ka a ga-atụle nchọcha ha dị iche iche.

Uchelue (2008) n’ederede ya lebara anya na Mbem na ndụ ndị Igbo. Ọchikọtara mbem ndị o jiri mee nchọcha wee kpebie na mbem dị ka o si metụta ndị Igbo bụ ihe ndị Igbo ji akasi, eto, emede obi, ma na-agba onwe ha ume.

Ugonna (1982) lebara anya n’ọnọdụ na otuto abụ Igbo. Ọ gbadoro ụkwụ n’akwụkwọ dị iche iche ebipụtara o ji mee nchọcha ya, wee kpebie na abụ Igbo na-eto n’ụzọ kwesịrị ekwesị. O mere ka a mata na nke a ga-enye aka mee ka asụsụ Igbo gbanyesie mgbọrọgwụ ike.

N’aka nke ọzọ Nwankwo (2017) lebara anya n’isiokwu ya bụ, “Mbem na ndụ ndị Igbo: Obodo ndị ọhọrọ”. O mere ka a mata na mbem so n’otu ụzọ ndị Igbo si akwalite omenala na mmemme ha dị iche iche tinyere ụzọ ịkwalite aka ọrụ ha.
Onah na Diala (2007) lebara anya n’isiokwu ha bụ “ọdịdị abụ ederede Igbo kwesịrị ekwesị”. Ha mere ka a mata ihe ndị na-akwalite ọdịdị abụ ederede Igbo dị ka: Isiokwu dabara adaba, asụsụ maọbụ nhụọnwụ, nhụrụuche dabara adaba. N’aka nke ọzọ ha mekwara ka amata na ụfọdụ ndị Igbo anaghị agbasocha ihe ndị a na-akwalite ọdịdị abụ n’ederede ha.

N’aka nke ọzọ Ekwenugo (2015) lebakwara anya “n’Abụ ọdịnala Igbo dị ka Enyo Nsirihụndụ Ndị Igbo nke ọmụmaatụ ya sitere n’Ọka”. Ọ gbadoro ụkwụ n’abụ ndị ọ họọrọ wee mee nchọcha wee kpebie na

o nweghị ọnọdụ kwụ nkịtị n'obdo Ọka nke e nweghị abụ ọdịnala e ji ezipụta ha ma sitekwa n'abụ ọdịnala ndị ahụ zipụta ihe dị iche iche ha na-egosipụta na ndụ ndị Ọka.

Okodo, (2012) na nchọcha ya ọ kpọrọ 'Ọnọdụ Agụmagụ Ọnụ Ọjadịlị' kọwara na otu uru Ọjadịlị ritere agụmagụ ọnụ bụ akụkọ ntọala ya. Ọ bụ ifo maka agwa bụ Ọjadịlị ka e ji dee ya. E wezuga nke a ọtụtụ akụkọ gbasara okike ụwa na ihe ndị ọzọ so n'ihe ndị odee jii mere ndị na edemede ha. O ji usoro nke sọvee mee nchọcha ya. Ọ chọpụtara na ndị odee Ọjadịlị (Ọdụnke) wetara ihe ha ji dee Ọjadịlị n'agụmagụ ọnụ. N'ihi nke a ka o ji kwuo na agụmagụ ọnụ nwere nnukwu ọnọdụ n'ime Ọjadịlị.

Nnyigide (2015) lebara anya n'isiokwu ya bụ "Abụ Ekerechi Ederede Igbo nke ọgbasoro atụtụ kegburugburu wee nyochaa. Ọ chọpụtara n'ihe gbasara mmewere abụ ọkachasị asụsụ abụ Igbo ka na-agbogwoju ụfọdụ ndị mmadụ, nkuzi, na ụmụakwụkwọ anya mere n'ọtụtụ mmadụ anaghị elekọta ụfọdụ ekerechi anya otu kwesịrị ekwesị. Ụfọdụ akparamagwa mmadụ na-emekpa ekerechi ahụ.

Mmekpa ahụ ụfọdụ mmadụ na-enye ekerechi so eweta ụfọdụ nsogbu ekereụwa. Nke a pụtara n'ụfọdụ ekerechi na-emekpakwa ụfọdụ ndị mmadụ ahụ n'ụzọ dị iche iche.

Onye ọzọ bụ Onuekwusi (2016) o lebara anya n'isiokwu ya bụ Abụ ọdịnala na ndụ ndị Owere n'oge gboo na n'oge ugbu a. Ọ chọpụtara n'ihe kpatara ụfọdụ ndị mmadụ ji agbarụ ihụ n'ebe abụ ndị Owere dị bụ na ha na-ejikarị olundị ndị Owere ezipụta ya. O mekwara ka amata na ngwa egwu ọgbaraọhụrụ dị iche iche ewetala mgbanwe pụrụ iche n'usoro e si ezipụta abụ ọdịnala ndị Owere.

Ka o siladị, n'agbanyeghị ihe niile ndị odee a kwurula ma dee banyere abụ ọdịnala, a chọpụtara na o nwekebeghị ọtụtụ nchọcha e merela nke gbadoro ụkwụ kpọmkwem n'abụ Egwu Imọka na ndụ ndị Ọka n'oge gboo na n'oge Ugbu a. Ọ bụkwa ọnọdụ a so n'otu ihe kpalitere edemede nchọcha a, iji tinye ọnụ n'izipụta Egwu Imọka na ndụ ndị Ọka dị ka ọ dị n'oge gboo na n'oge Ugbu a.

**Nzipụta Abụ Egwu Imọka**
N'ebe a ka onye nchọcha depụtara abụ niile ndị ọ họọrọ mee nchọcha na ya. O depụtakwara ọdịnaya na ọdịdị ha dị iche iche. Ọ bụkwa usoro Uzochukwu (1990:74) ka a gbasoro mee nchọcha a. Usoro a dị ụzọ ihe abụọ a na-ebekwasị anya na ha. Ha bụ ọdịnaya na ọdịdị ya.

Ọdịnaya na-elekwasị anya na mmetụtaobi na echiche nke abụ. Ebe ọdịdị ya na-elekwasị anya na ndoko na asụsụ nke abụ. Echiche pụtara ihe abụ ahụ na-ekwu maka ya. Abụ ọbụla ga-enwerịrị otu ihe maọbụ nke ọzọ ọ na-ekwu maka ya. Mmetụtaobi pụtara ihe na abụ ndị ahụ. Mmetụta dị iche iche nwere ike isi n'abụ pụta. O nwere ike ọ bụrụ nke obi nwute, aṅụrị, oriri, egwu, akpọmasị, ịhụnanya, nchegharị, obi nchigharị, iwe wdg.

Ndoko abụ bụ usoro ọkpọabụ ji wepụta echiche dị n'abụ ya. Usoro ọ gbasoro na izipụta abụ ya. Nke pụtara ka ọ malitere ozigbo gụpụtaba abụ ya ka o buruụzọ tinye okwu mmalite tupu ọ gụpụtaba abụ ya. Asụsụ bụ usoro odee si dee abụ ya. Odee ọ gbasoro Igbo Izugbe? Ka ọ bụ Olundị? Ọkpọabụ o megharịrị ihe dị n'asụsụ n'ụdị ọ ga-emetụ ndị ogentị na mmụọ. Asụsụ odee ji dee abụ ya ọ dị werewere n'ọnụ ka ọ na-akpọ ogwu n'ọnụ? Akpaalaokwu na atụmatụokwu odee ji chọọ abụ ya mma. Nke a dịkwa ezigbo mkpa n'abụ n'ihi na atụmatụokwu so eme ka asụsụ ahụ dị elu.

**Ntụcha Abụ Ndị A họọrọ**
**Abụ 1**

Nwa ajọ obi
Nwa ajọ mmụọ
Nwa ajo obi,
Ngharigha mmọnwụ
Mmonwụ hụrụ onye ọbia
Tie ya ive
Ọ ga-ejezikwa mba ooo

**Ụdịdị Abụ a**: Abụ Egwu Imọka
**Echiche:** Ndị Ọka anaghị etu onye ọbịa ihe
**Mmetụtaobi:** Mwute
**Ọdịnaya nke abụ a:** Abụ a bụ nke na-ezipụta nkwenye ndị Ọka na mmanwụ anaghị eti onye ọbịa ihe. Ndị Ọka bụ obodo hụrụ ndị ọbịa n’anya ma na-anabata ndị ọbịa nkeọma n’obodo ha. Ha kwenyere na iti onye ọbịa ihe bụ agwa ọjọọ dịrị onye mere nkee a. Ọ bụkwa n’ihi ya ka ha ji ezipụta ya n’abụ ha, iji mee ka o rue agbụrụ ndị ọzọ na-abịa na-azụ ntị. Iti onye ọbịa ihe abụghị ihe e ji mara ndị Ọka. Ọzọ bụ na ndị Ọka bụ ndị na-apụ ije nkeọma. Ha kwenyere na onye tiri onye ọbịa bịara be ya ihe, onye ahụ echetakwara na ọ ga-eje n’obodo onye ọzọ. Ọ bụrụ na e tie ya ihe n’obodo onye ọzọ obi ọ ga-adịkwa ya mma. Abụ a so n’otu abụ ndị ahụ na-ezipụta nsirihụndụ ndị Ọka ma na-akuziri ndị na-eto eto ezi akparamagwa na imeso onye ọbịa omume ọma n’oge gboo. Ma taa abụ ndị a so na abụ ndị ha chigara azụ ụlọ ma were nke dị ha mma na-abụ. Oge ụfọdụ ha na-abụchara ya n’elu n’elu etu ọ gaghị emetụta ha na mmụọ ịchọpụta nkuzi dị na ya.

**Ndoko** Abụ a dabara nkeọma. Ọ bụ ezie na abụ a soro onwe ha gbii na nkeji a ma kọwapụtara ndị mmadụ echiche ya dị ka o kwesịrị. A bụ a ji ndanusoro were were nke a mere na ndanusoro ya dị ngwa ngwa.

**Asụsụ Abụ:** Ọkpọabụ gbaliri iji asụsụ Igbo Izugbe agụpụta abụ ya. Nke a mere ka abụ ya dị mfe na nghọta naanị ebe ọ webatara ntakịrị olundị bụ n’ahịrị ndị a:
Mmanwụ hụrụ onye obịa tie ya <u>Ive</u>
O webatakwara atụmatụokwu bụ Egbeokwu n’abụ a na ahịrị nke anọ
<u>Ngharịngha</u> mmanwụ

Abụ nke II
Kenelem
Ive na-emere Ọka ive
Iya yaa ooo
Anyị na-asọ nsọ enwe
Be anyị.
Iya yaa ooo

**Ụdịdị abụ**: Abụ omenala
**Echiche**: Ndị Ọka na-asọ enwe
**Mmetụtaobi**: Aṅụrị

**Ọdịnaya Abụ a**: Ndị Ọka na-asọ nsọ enwe. Ha adịghị egbu enwe maọbụ rie enwe. Nke a bụ n’ihi omenala na nkwenye ndị Ọka n’ebe enwe nọ. Enwe bụ ya na-agbara ndị Ọka ama n’oge gboo ma ọ bụrụ na ndị ilo ha na-emekpa ha ahụ abịaba. Ọ bụ n’ihi nke a ka ndị Ọka ji asọpụrụ enwe. Ihe ha na-akpọ ya bụ enwe Imọka. Ndị Ọka dị ka ndị Igbo nwere anụ obodo ọbụla na-asọpụrụ. Ọka bụ enwe ka ha na-asọpụrụ ma rue taa n’obodo ha. Nke a bụ n’ihi na o soro ha lụọ ọgụ ma nwee mmeri n’oge gboo. Ọ bụkwa site n’abụ a ka ndị Ọka chekwabara omenala na nkwenye ha na ha bụ ndị na-asọ nsọ enwe iji mee ka o rue agbụrụ ndị ọzọ na-abịa n’azụ ntị. Oge ọbụla a gụrụ egwu a, onye bụ onye Ọka ma onye abụghị ga-amata na ihe egwu a na-akọwa bụ na ndị Ọka na-asọ enwe. Ma taa abụ a bụzị ihe na-ala azụ n’ike n’ike. Ndị ọgbaraọhụrụ bụzị naanị nke ha chọrọ ka ha na-abụ, bụ nke na-atọ ha ụtọ ka ha na-abụ. Ọbụghịkwa na ha na-abụ nke ha chọrọ ịbụ bụ isiokwu, kama ọ bụ ihe ndị ahụ ha na-abụ ka ha na-egosipụta na-akparamagwa ha. Nke a wee bụrụ ihe jọgburu onwe ya na njọ.

**Ọdịdị Abụ a:** Ndoko abụ a nwere otu nkeji na ahịrị isii.
Abụ a ji ndanusoro dị ngwa ngwa ma na-atọ ụtọ n’ọnụ.
Asụsụ abụ a: Odee gbalịrị iji asụsụ Izugbe rụọ ọrụ ya. Naanị n’ebe olundị batara n’abụ a bụ: na ahịrị nke mbụ na nke abụọ
<u>Kenele</u> m
<u>ive</u> na emere Ọka <u>ive</u>

Abụ a enweghị atụmatụokwu ọbụla batara na ya.

Abụ III
Egwu Imọka
Ine mmadụ anya n’iru
Adịghị ya
Ịkpọta mama gị oo
Ooo oooo

Anyị ejebe Umuokpu
Ine mmadụ anya n’iru
Adịghị ya
Ịkpoọta papa gị oo
Ooo oooo

**Ụdịdị Abụ a:** Abụ Egwu Imọka
**Echiche Abụ a:** Anaghị ele mmadụ anya n’ihu ụbọchị egwu Imọka
**Mmetụtaobi**: Iwe
**Ọdịnanya Abụ a:** Egwu Imọka achọghị ịma onye uku maọbụ onye nta. Ọ chọghịkwa ịma nne maọbụ nna.

Nke a pụtara na nsọpụrụ akpụọla afọ n’ala. Ụmụntorobịa na-eti egwu Imọka, na-etizi onye ọbụla ha hụrụ ụtarị. Ha amaghịzị ndị kwesịrị ka eti maọbụ ekwesịghị ka e tie ụtarị. Ihe niile a bụ nsogbu dakwasịrị Egwu Imọka n’obodo Ọka. N’oge gboo, Ọka na-enwe nsọpụrụ n’ebe onye tọrọ mmadụ nọ ma nwee egwu kpatara na o nweghị onye na-eme ka ọ gụrụ ya. Ma taa onye ọbụla bụ nke dị n’obi ya ka ọ na-emezi. Oge ụfọdụ ikwuo okwu dị ka okenye ha akparịba onye ahụ, jụọ ya ma egwu ọ na-atụkwa ya. Nke a wee bụrụ n’ihi na ha hapụrụ abụ Egwu Imọka e ji mara ndị Ọka n’Oge gboobụ ihe e ji akuziri ndị na-eto eto eziakparamagwa ma were masịrị ha na-abụzị. Ọ bụkwa ihe abụ ndị ahụ na-akụzi ka ha na-emepụta n’akparamagwa ha. Nke a bụkwa ihe na-ewute n’obi. Ọzọ bụ ma onye Ọka ma onye ọbịa na-agbarịkọta Egwu Imọka. Nke a wee dara akparamagwa ụmụaka ghasasịa.

**Asụsụ abụ a:** odee ngwakọrịtara asụsụ n’abụ a. Ebe asụsụ Bekee batara n’abụ a bụ n’ahịrị nke anọ, nkeji nke mbụ. ịkpọta <u>mama</u> gị oo
Nkeji nke abụọ ahịrị nke anọ
ịkpọta <u>papa</u> gị oo
olu ndị dị n’abụ a batara na nkeji nke mbụ n’ahịrị nke
<u>ine</u> mmadụ anya n’<u>iru</u>

na nkeji nke abụọ ahịrị nke abụọ:
ine mmadụ anya n’<u>iru</u> adịghị ya.

**Abụ IV**
Omimi koko mikooo
Eya eee
Omimi koko
Eya eee

Ọ bụ maka ntọtọ ike gị a
Ka I ji eme guy!

**Ụdịdị abụ a:** Abụ Egwu Imọka
**Echiche:** Akpọmasị ndị mmadụ n’ebe mmadụ ibe ha nọ
**Mmetụtaobi:** Anyaụfụ

**Ọdịnanya nke abụ a:** Abụ a na-ezipụta anyaụfụ ndị mmadụ a-enwe n'ebe mmadụ ibe ha nọ. Mmadụ ịchọ mmadụ ibe ya okwu na-enweghị ihe onye ahụ mere ya. Ma n'ihi akpọmasị obido gụbara onye ahụ egwu. Ụdịdị egwu a na-apụtakarị ihe n'oge ugbu a ma a na-agba egwu Imọka n'obodo Ọka. Ndị ntorobịa ndị ọgbaraọhụrụ ji ya emegide onye ha na ha ji okwu. Ha na-eti onye ahụ ụtarị na-ajụghị ma onye ahụ ọ bụ onye Ọka ma ọbụghị. Ma onye ahụ oyi ụkwụ ogologo ma oyighị. N'obodo Ọka onye yi obere ụkwụ ya bụ nịka oge a na-agba egwu Imọka anaghị eti ya ụtarị. Nke a na-egosi na onye ahụ achọghị ụtarị. Ndị oge ugbu a na-etizi ma onye elu ma onye ala. Ha amaghịZịkwa onye bụ onye dị ka ọ dị n'oge gboo. Nke a were bụrụ n'ihi na ọ bụ ihe egwu ha jiri aka ha họrọ na-agụ na-akuzi ka ha na-ezipụta n'akparamagwa ha. Nke a bụkwa ajọ agwa n'ihi na ọ bụghị omume e ji mara ndị Ọka.

**Ndoko abụ:** Abụ a dabara nke ọma ma nwee naanị otu nkeji na ahịrịabụ dị isii n'ọnụọgụgụ. Odee gbalịrị na ịkọwapụta echiche ya n'abụ a.
Ndanusoro abụ a dị ụtọ na ntị tọkwazịa ụtọ n'ọnụ na-ịgụpụta ya.
**Asụsụ:** Atụmatụokwu ọbụla abataghị na abụ a nke mere ka ọ dị mfe na nghọta.
Odee gwakọrịtara asụsụ n'abụ a: Ahịrị nke isii nabatara asụsụ Bekee ka iji eme guy!
Olundị batara n'abụ a n'ahịrị nke ise maka ntọntọ ike gị a.
Kwunkwukwa batara n'ahịrị abụọ a bụ n'ahịrị mbụ na nke abụọ
Omimi koko mikoo e yaa eee

**Nchịkọta na Mmechi**
N'ebe a, a chịkọtara ihe niile e mere na nchọcha a tinyekwara aro nile nke onye nchọcha tụrụ. N'ikpezụ e ji okwu mmechi weta ederede a na njedebe.

**Nchịkọta**
Na nchọcha a, e lebara anya n'inyocha Abụ Egwu Imọka na ndụ ndị Ọka n'oge gboo na n'Oge ugbu a. A chọpụtara na Abụ Egwu Imọka dị ka abụ ọdịnala bụ nwata tote o tokwuru n'ala Ọka. Ọzọ, nna anyị ha na-esi n'abụ ndị a enyefe ụmụ ụmụ ha omenala na nkwenye ha nakwa nsirihụndụ ha n'Ọka n'oge gboo. N'ezie abụ ndị a bara ọtụtụ uru na ndụ ndị Igbo tụmadị n'obodo Ọka n'ihi na e ji ya akwalite omenala na asụsụ ha. Ya mere n'oge gboo, ndị mmadụ anaghị e ji ya egwu egwu dị ka anyị hụrụ na nchọcha a. N'ịganihu abụ ndị a nwere ọnọdụ dị elu n'ebe ndị Ọka nọ ma baara ha ọtụtụ uru n'oge gboo karịa ugbu a. A chọpụtara na ndị okenye maara maka ihe gbasara abụ ọdịnala na-anwụ n'ike n'ike nke mere na ndị ọgbaraọhụrụ anaghịzị akanri ha na akaekpe ha n'ihe gbasara abụ egwu Imọka.Ọzọ nchọcha e mere n'ihe gbasara abụ Egwu Imọka na ndụ ndị Ọka adịkebeghị ọtụtụ. Ọ bụkwa ya mere na ndị ọgbaraọhụrụ enwekebeghị ihe ndị ga-enyere ha aka ịmata ihe ahụ abụ Egwu Imọka ha na-ekwu maka ya.
Ọ bụ nsogbu ndịa kpatara na ọ dị mkpa ka e mewaga nchọcha miri emi ma depụtakwa ihe niile a chọpụtara n'akwụkwọ ime ka nchọcha a nwee isi nkeọma, a gara ugbo ajụjụọnụ. Nke a nyeere onyenchọcha aka ịmata maka abụ Egwu Imọka n'Ọka karịa ka ọ chere.

Ọzọkwa, ha nyere aka ịtụlekọrịta etu abụ Egwu Imọka dị n'obodo Ọka n'oge gboo na n'oge ugbu a nakwa ka Ọka si were ya. N'ikpeazụ, nchọcha a mekwara ka a chọpụtakwazịa na ndaghachiazụ abụ Egwu Imọka dị ka abụ ọdịnala daghachiri n'obodo Ọka so n'ihe mere na omenala n'ihe ndị e ji mara ha, ha na-eme n'oge gboo jizi akpụ afọ n'ala. Ihe ọzọ bụ na o sokwa n'ihe mere na mpụ na aghụghọ jupụtara ebe niile ma dara ndị ntorobịa, agbọghọbịa nakwa ụmụaka anyị manye ha isi n'ọhịa n'ihi na abụ ọdịnala kwesịrị ịgbazi, iduzi na ikuzi omume ọma akwụghịzị gem dị ka o kwesịrị iji rụọ ọrụ ya nkeọma.

**Aro Onyenchọcha**
Site na nchọcha a, onyenchọcha chọpụtara na abụ Egwu Imọka dị ka abụ ọdịnala bara nnukwu uru na ndụ ndị Ọka n'oge gboo. Ha nyere ya ọkwa dị elu. Ọ dị mkpa ka amata na ọ bụrụ na e nyekwa abụ ọdịnala ndị a ọnọdụ dị elu n'oge a, dị ka ọ dị n'oge gboo na ọ ga-enyekwa ezigbo aka na ndụ ndị Ọka. Nke a ga-emekwa ka e welite ọnọdụ asụsụ na omenala Igbo. N'aka nke ọzọ, o kwesịrị ka e nye abụ ọdịnala ogo kwesịrị ya n'ụlọakwụkwọ dị iche iche dị ka ọta akara, prịmarị nakwa sekọndịrị, dị ka e nyere ụmụ ihe ọmụmụ ndị ọzọ. Onye nkuzi ga-agbakwa mbọ ịhụ na ụmụaka ole na ole ga-abụ abụ ọdịnala nke a ga-eleba anya n'ihe mmụta dị na ha n'otu n'otu.

Ihe ọzọ dị mkpa bụ na ndị nne na nna ga-agba mbọ ịhụ na ha na-akuziri ụmụntakịrị ha abụ ọdịnala. Ọkachasị ndị ahụ na-akuzi maka ezi omume, n'ihi na ọ bụ n'ụlọ ka ụmụaka na-esi amalite ndụ. Onyenchọcha na-atụpụta aro na ọ ga-aka mma ma gọvmentị wepụtakwazịa oge zuru ezu maka ịgụpụta abụ ọdịnala dị ka e siri nye ihe ndị ọzọ oge n'ụlọọrụ ndị mgbasa ozi dị iche iche. Nke a ga-enye ime ka ọ kwudosie ike karịa ka ọ dịbu na mbụ.

N'ikpeazụ, o kwesịghị ka ndị Ọka dị ka ndị Igbo tufuo enyo ha bụ abụ ọdịnala ụmụ ụmụ ha ga-esi na ya hụ ndụ, nkwenye, mmemme na agwa nna nna ha.

**Mmechi**

Na **mkpokọta**, onyenchọcha na-eme ka amata na ndị Igbo kpanyere abụ ọdịnala aka ekpe bụ nke so n'ihe na-agba asụsụ na omenala ose n'anya n'oge a, ma chezọọ na ọ bụ abụ ọdịnala bụ nnukwu onye nkuzi ndị Igbo nwere tupu omenala Bekee abịa n'ala Igbo.

Ọdịkwazị mkpa ka ụmụ Igbo nupụta n'igwe tụkọọ aro ọnụ n'ihi na a nyụkọọ amịrị ọnụ ọ gbaa ụfụfụ, maka ịchọpụta ụzọ ha ga-esi weghachi abụ ọdịnala azụ etu ọ dịbụ n'oge gboo, n'ihi na obodo ọbụla tufuru ihe e ji mara ha abụrụla obodo nwụrụ anwụ.

**Edensibịa**


Dobie, A.B. (2012). « *Theory into Practice : An Introduction to Literary Citicism.* » New York: Wadsworth Cengage Learning.

Ekwenugo, P.U. (2015). "Abụ ọdịnala Igbo dị ka Enyo Nsirihụndụ Ndị Igbo: Ọmụmaatụ ya sitere n'Ọka. Unpublished Thesis, Department of Igbo, African and Asian Studies, Nnamdi Azikiwe University, Awka.

Guerin, W. L. (1992). "*A Handbook of Critical Approaches to Literature".* New York: Oxford University Press.

Nnyigide, N.M. (2015). Abụ Ekerechi Ederede Igbo: Nnyocha site n'Atụtụ kegburugburu. Unpublished Department of Igbo, African and Asian Studies, Nnamdi Azikiwe University, Awka.

Nwadike, I.U. (1992). *Ntọala Agụmagụ.* Nsukka: Ifunanya Publishers Nigeria.

Nwankwo, C. (1994). *The Study of Igbo Praise Poetry*. Nsụkka: University of Nigeria Press.

Nwankwo (2017). "*Mbem na Ndụ Ndị Igbo*". Unpublished Department of Igbo, African and Asian Studies, Nnamdi Azikiwe University, Awka.

Okodo, I. (2012). "*Ọnọdụ Agụmagụ Onụ xf Ojaadịlf na Nwokoye, A. N.* (Ed.) Oja: An *International Journal of Igbo*, African and Asian Stụdịes, ụnizik, Vol. I, Ihụ 94-103.

Onah, C.S. and Diala, P. N. (2007). *Decorum in Igbo Poetry" in Anasiudu B.N.G.I.* Nwaozuzu, C.N. Okebalam (eds). Language and Literature in a Developing Country Essays. In Honour of Professor Benson O.A. Oluikpe, Ibadan: African First Publishers pp. 64-79

Onuekwusi, L.C. (2016). "Ọnọdụ Abụ Ọdịnala na Ndụ ndị Owere n'oge gboo na n'oge ugbu a. Unpublished Department of Igbo, African and Asian Studies, Nnamdi Azikiwe University, Awka.

Taylor, R. (1981). "*Understanding the Elements of Literature".* London: Macmillian Press.

Uchelue, O.B. (2008). "*Mbem na Ndụ Ndị Igbo*". Unpublished Department of Igbo, African and Asian Studies, Nnamdi Azikiwe University, Awka.

Ugonna, N. (1980). *Abụ na Egwuregwu Ọdịnala Igbo.* Longman Nigeria.

Ugonna, N. (1982). "The Growth of Igbo Poetry" in Ugonna, N. (ed) *Journal of Society for Promoting Igbo language and Culture.* N0. 1pp. 20-25.

Uzochukwu, S. (1990). *Akanka na Nnyocha Agụmagụ Igbo.* Onitsha: Kawuriz and Manilas Publishers.

Uzochukwu, S. (1992). *Abụ Akwamozu.* Obosi: Pacific Publishers.